*International Journal of Studies in Education – Vol. 21, Issue 1, 2025, 353-361*
*ISSN: 2636-6320 (ONLINE) - 2636-6339 (PRINT) - https://ijose.unn.edu.ng/*

# MMETỤTA MMASỊ ỤMỤAKWỤKWỌ SINỊỌ SEKỌNDỊRỊ NA MMETA NKE ỌMA N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO N'OKPURU ỌCHỊCHỊ UDENU, STETI ENUGWU

**Chinenye Anthonia Ezema**
Department of Arts Education, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka

**Ụmi**
*Nchọcha a lebara anya na mmetụta mmasị ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Ajụjụ nchọcha atọ ka e guzobere maka ọrụ nchọcha a. Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Ebe a nọ mee nchọcha bụ n'okpuru ọchịchị Udenu na Steti Enugwu. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị klasị nke abụọ nke ọnụọgụ ha dị otu puku, narị abụo na asaa (1,207). E ji usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ asaa n'ime ụlọakwụkwọ dị iri na isii nke nwere ụmụakwụkwọ dị narị ise na iri ise (550). Ụdị ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ ajụjụ njụmaza nwere ndịna iri na ise (15), nke isiokwu ya bụ Mmetụta Mmasị Ụmụakwụkwọ Sinịọ Sekọndịrị na Mmeta Nke Ọma N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (MMỤSSMNỌNAI). E ji usoro miin na ndịpu n'izugbe wee hazie nchọcha a. Nchọpụta nchọcha a gosiri na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ nwere mmetụta dị ike na mmeta nke ọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ anaghị enwe ezigbo mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha na-ahụta ndị asụ asụsụ Igbo ka ndị na-amaghị akwụkwọ maka na nne na nna ha anaghị egosi mmasị n'ebe asụsụ Igbo dị tinyere na o nweghị ebe a na-akwanyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu ugwu. Ọzọkwa, nchọpụta gosipụtakwara na enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo mere na ha anaghị azụtara ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo ma ya fọdụzịa ịgụrụ ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ ndị ahụ. A atụkwara aro ka ndị nne na nna na-egosi ụmụaka ha mmasị n'ebe asụsụ Igbo dị site n'ịsụrụ na n'ịdị na-eji ya akparịtaụka n'ezinaụlọ ha dị iche iche, na-egotere ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ n'onwe ha na-eji asụsụ Igbo na-eme mkparịtaụka n'ezinaụlọ, n'ụlọakwụkwọ na n'ọgbakọ ha dị iche iche. Tinyekwara Gọọmentị ime ka ụkọ ndị nkụzi Igbo beleta site n'inwe ndị nkụzi gụrụ asụsụ Igbo na Mahadum n'ọrụ n'ihi na ọ ga-enye aka n'ịkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nakwa ịgba ụmụakwụkwọ mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo ume site n'inye ha ohere agụmakwụkwọ na-efu ma nye ndị nke gụrụ Mahadum ọrụ nkuzi n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Nke a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu n'ịkwalite mmasị ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.*

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Mmasị, Mmeta Nke Ọma, Asụsụ Igbo, Ụmụakwụkwọ

## Mkpọlite

Ala Igbo so n'otu n'ime agbụrụ kachasị were pụta ihe tinyere agbụrụ abụọ ndị ọzọ n'obodo Naịjirịa. Agbụrụ atọ ndị ahụ bụ agbụrụ Awụsa, agbụrụ Igbo na agbụrụ Yoruba. Agbụrụ niile ndị a nwere asụsụ dị iche iche ha na-asụ e ji mara ha. Asụsụ bara nnukwu uru n'ebe ọtụtụ ihe mmadụ na-eme eme dị. Ọ bụ nke a mere ka nchekwa na nkwalite asụsụ ọbụla ji dị oke mkpa. N'iji kwado echiche a dị n'elu, Chineke na Eze n'ime Eze (2022) kwadoro na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi ma bụrụ ihe e ji mara mba. Ọ bụkwa ya na-agbazi akparamagwa n'obodo ọbụla tinyere na ọ dị mkpa iji kwalite obodo na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Asụsụ bụ okwu ọnụ maọbụ ederede nke na-enwe nghọta. Ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta ma na-egosipụtakwa ebumnobi na ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Crystal n'ime Ewelum na Ezema (2022) kọwara na asụsụ bụ ụda nke sitere nghọta mgbe njiakpọ maọbụ ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche n'ụda ọdịmara. Ọ bụ olu mmadụ a hazịrị ahazị n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa n'onwe ya mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ maọbụ n'ederede.

Asụsụ bụ ụzọ ndị mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta ma n'ịzụ ahịa, ọchịchị, okpukpere, isorịta mpi nakwazi nzipụta omenala na nkwenye ndụ ndị Igbo. Ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ, anụmanụ enweghị asụsụ. Ụmụ anụmanụ enweghị asụsụ ma ya fọdụ ịsụ ya. E

nwekwara ike izipụta echiche na ebumnobi mmadụ site mmegharị ahụ dịka ife na ikwe n'aka, ifufe n'isi, ile anya, ịsụ imi na ịsụ ọnụ, nakwa ụzọ dị ọzọ dịgasị iche iche e nwere ike i si mee ya (Ezema, 2016). A na-amụ asụsụ ọbụla amụ tupu ebido dewe ya. Asụsụ na-enwe nhazi na usoro nke a na-ezipụta n'ọsụsụ na n'odide ya. Ọ bụrụ na agbasoghị usoro a nsogbu na ọgbatauhie ga-adị n'asụsụ ahụ. N'ihi nke a ka Julia, Mirjana na Brechtje (2023) jiri wee kwado na iji merie nsogbu ọbụla nwere ike ịpụta mgbe a na-amụ asụsụ, a ga-agbaso usoro nke e guzobere maka nkuzi na ọmụmụ asụsụ ahụ a na-amụ. Nke a bụ eziokwu maka onye na-amụ asụsụ ga-amụ usoro asụsụ ahụ dị ka ndị nwe ya si asụ ma na-edekwa ya nakwa ka asụsụ ahụ n'onwe siri dị. Asụsụ dị ka mmadụ. Ọ na-eto eto ma na-anwụkwa anwụ. Mgbe ọbụla ndị nwe asụsụ kwụsịrị ịsụ ya maọbụ akụziri ya ndị na-etolite etolite, ị mara na asụsụ ahụ ga-anwụ. Ọ bụ nke a kpatara Ilodi (2019) jiri kwuo na asụsụ bụ ngwa e ji enyefe ntọala na omenala n'aka ụmụaka bido n'ezinaụlọ ruo n'ọhaobodo. Ihe Ilodi kwuru bụ eziokwu enweghị mgbagha ihi na ọ bụ site naanị n'asụsụ ka e nwere ike isite were nkuziri, gbaziri ma hanye asụsụ na omenala mba maọbụ obodo ọbụla n'aka ụmụaka a mụrụ na-etolite n'obodo maọbụ na mba ahụ.

Asụsụ Igbo dị ka asụsụ pụtara ihe na Naịjirịa ma bụrụkwa nke Atụmatụ maka Agụmakwụkwọ nke 2015 nabatara ka a na-akụzi ma na-amụ n'ụlọakwụkwọ n'ogo dị iche iche bụzi nke ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-enweghịzi mmasị ịmụ na ịsụ ya n'ụlọ nakwazi n'ụlọakwụkwọ. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị ike ịsụ asụsụ Igbo werewere n'etinyeghị maọbụ agwakọta ya n'asụsụ Bekee. Ezema na Obayi (2020) kwadoro na ụmụakwụkwọ enweghị ikwucha otu ahịrịokwu maọbụ abụọ ghara itinye ya otu mkpụrụokwu Bekee maọbụ abụọ n'ime n'ihi na ha amaghị asụ asụsụ Igbo werewere. Tupu ọbịbịa ndị ọcha na Naịjirịa, ọ bụ asụsụ agbụrụ ọbụla ka ha na-asụ. Ndị Igbo na-asụ asụsụ ha bụ asụsụ Igbo ebe ndị agbụru ndị ọzọ na-asụkwa asụsụ agbụrụ dịgasị n'iche n'iche. Ọbịbịa ndị ọcha mere ka ndị Igbo ṅomiri ha (ndị ọcha) n'ọtụtụ ihe ọkachasị n'asụsụ ha. Oge ndị ọcha lachara, ọ dịzị ka ndị Igbo bu asụsụ Bekee n'isi nke mere na ha hụrụ asụsụ Bekee n'anya karịa asụsụ Igbo. Onye Awusa na nwanne ya na-ekwu okwu, o nweghị ka onye agbụrụ ọzọ ghọta ihe ha na-asụ. Imirikiti ndị Igbo e nweghị ike ikwucha otu ahịrịokwu Igbo nke ọma na-etinyeghị ya asụsụ Bekee. Ndị Igbo na-achọzi iji asụsụ Bekee mere asụsụ ha n'ihi na ha kwenyere na onye na-asụ asụsụ Igbo abụghị onye ma ihe nakwa onye ọnụ na-eru n'okwu ka onye na-asụ asụsụ Bekee. Na nchọcha Ezema na Mbah (2015) mere, ha chọpụtara na nsirihụ ndị Igbo dị nnukwu ire n'ebe asụsụ ha nọ. Ha chọpụtara na onye Igbo gụrụ akwụkwọ (ma ndị agụghị) na-achọkarị ịkọwapụta onwe ha n'asụsụ Bekee karịa n'asụsụ Igbo n'ebe ọbụla ọbụladị ebe ndị Igbo ibe ya nọ. Ọtụtụ ihe bụ aka mgba na-akpata na ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị anaghị emeta nke ọma n'asụsụ Igbo. E nweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na-ebute nsoogbu na ndọghachị azụ nye agamnihu asụsụ Igbo. Nke a nwere ike ibutere asụsụ Igbo ọnwụ n'ọdịnihu. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-egosi na asụsụ Igbo na-eme ha ihere ịsụ. Mmasị dị oke mkpa n'ihe ọbụla a na-eme eme na ndụ ọkachasị n'ọmụmụ asụsụ. Mkpa mmasị dị n'ọmụmụ asụsụ dị ukwuu n'ihi na ọ bụ ya na-akpali maọbụ akwanye mmadụ ka o mee ihe maọbụ mụta ihe

Ọ bụ mkpali na-eme ka mmadụ mee ihe ọ bụrụgodi mgbe ọ chọrọ na mgbe ọ chọghị, mgbe ike dị ya nakwa mgbe ike adịghị ya, ma ọ dị ma ọ dịghị mfe tinyere ma mmadụ a na-ele ya maọbụ na mmadụ anaghị ele ya. Echiche Torty na Offorma (2013) kwadoro nkọwa a dị n'elu. Ọ bụ ya kpatara ha ji sị na mmasị dị oke mkpa n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ n'ihi na ọ bụ mgbe mmadụ nwere mmasị n'ebe asụsụ dị ka ọ na-enwe mmụọ ịnụ ọkụ n'obi ịmụ ya bụ asụsụ. Ụmụakwụkwọ na-akakarị enwe mmasị oge a na-akụzi maọbụ amụ asụsụ Bekee, sọm na ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa ka ha na-enwe na nkuzi nakwa ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ịga n'ihu, Ambe na Udumo (2020) kwadokwara na mmasị bụ ihe echiche nke na-akwalite ọmụmụ. Ihe Ambe na Udumo kwuru bụ eziokwu maka na ọ bụ oge nwaakwụkwọ nwere mmasị n'ihe ọ na-eche maka ya nke bụ ịmụ asụsụ, bụ ihe ga-enyere ya aka n'ịkwalite mmụọ, uche na nkwado ya n'ịmụ asụsụ ọ chọrọ ịmụ. Mgbe nwaakwụkwọ na-ezipụta enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ, o nweghị ihe ga-eme ka nwa dị etu ahụ mee nke ọma n'asụsụ ahụ. Memon, Umarani na Menon n'ime Eze (2022) na-akwado na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na-adabekarị n'ige nti nakwa ịgụ akwụkwọ oge niile na klasị iji kwalite mmụta ha n'ịkpọpụta okwu na-aga werewere n'ọnụ.

Ọtụtụ nchọcha emeelara na-egosi na mmasị n'ihe ọmụmụ ọbụla ọkachasị n'asụsụ na eme ka nwaakwụkwọ meta nke ọma na ya (Ezema, Chineke na Ude, 2021). Ọzọ kwa ndị nne na nna kacha eme n'ụmụaka ha anaghị emeta nke ọma n'asụsụ Igbo. Emetaghị nke ọma na-esite n'enweghị mmasị ndị nne na nna n'ịsụrụ na ikuziri ụmụaka asụsụ Igbo n'ụlọ bụ ebe izizi ha ezute asụsụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ha na ndụ. Mgbe a mụrụ nwata, ihe izizi ọ na-eme bụ ige nti tupu ọ banye n'ikwu okwu. Ọ bụ okwu ọ na-anụ mgbe amụpụtara ya nakwa na gburugburu ya ka ọ ga-asụ mgbe ọ malitere ikwu okwu. N'ihi ya ka Krapp (2022) ji kwado na mmasị na-etolite site na mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na gburugburu ya. Mmasị miri emi na-esite n'ezigbo mmekọrịta mmadụ na ihe ọ na-eme nke na-egosipụta onwe ya n'achọghị enyemaka ọbụla. Nke a bụ ezie n'ihi na mgbe nwata na-anụta naanị asụsụ Igbo dịka asụsụ epum n'ọnụ nne, nna na ndị nlekọta ya, mgbe ọ ga-amalite ikwu okwu asụsụ Igbo ka ọ ga na-asụzi. N'aka nke ọzọ elezikwuo anya n'asụsụ Igbo, a ga-achọpụta na ọtụtụ ndị nne na nna ndị Igbo gụrụ akwụkwọ maara asụ asụsụ ha mana ha enweghị ike ịgụ maọbụ ide ihe doro anya n'asụsụ Igbo. Akparamagwa a na-esi n'aka ndị nne na nna fere n'aka ụmụaka ha bụ nke na-ebute akpọrọmasị n'ebe asụsụ Igbo nọ. Ụmọ na Okeke (2009) kwadokwara nke a. Ha sịrị na ihe kpatara asụsụ Igbo ji na-anyụ ka ọkụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị bụ ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ. N'ihi na anaghị asụrụ ụmụaka asụsụ Igbo n'ụlọ, ndị nne na nna anaghịkwa achọ iziga ụmụaka n'akwụkwọ ebe a na-akụzi asụsụ Igbo ma jirikwa ya eme ihe dum a na-eme n'ụlọakwụkwọ.

A na-amachibido ụmụakwụkwọ ịsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị etu a. N'ụlọakwụkwọ ndị ahụ a na-ama ọkwa ma dee ya mado n'ahụ aja ụlọ ebe onye ga-ahụ ya. Nwaakwụkwọ ọbụla nwara anwa sụọ asụsụ Igbo, a ga-ada ya nha ego maọbụ enye ya ntaramahụhụ. Ejiofor gosiri mwute obi ya were kwuo n'ime Eze na Ezema (2024) kwadokwara na n'ọtụtụ ezinaụlọ taa, ọ bụ Bekee ka a na-asụrụ ụmụaka na be ha etu e si asụ na be ndị ọcha, ma nne na nna ma ụmụaka mere na ha anaghị emeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọnọdụ a wetara ndọghachị aka elekere azụ na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị. Ebe ụmụaka ebidoghị n'ezi na ụlọ ha dị iche iche sụba asụsụ Igbo, ọ na-ahịa ha ahụ nke ukwuu ịsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ha dị iche iche. N'ihi ọnọdụ a ka onye nchọcha jiri nwee mkpali n'ileba anya n'ịchọpụta mmetụta mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nwere na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Nsogbu Nchọcha**

Ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ala Igbo ọkacha n'okpuru ọchịchị Udenu na-enweta ndọghachị azụ n'ihi enweghị nakwa egosighị mmasị ụmụakwụkwọ na ya. E metaghị nke ọma n'asụsụ Igbo bụ ajọọ omume na akparamagwa ụmụakwụkwọ kpatara ya. Ọ bụ enyeghị asụsụ Igbo ugwu na ọụọdụ tosiri ya n'ezinaụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ butere nke a. Nke a na-apụtakwa ihe n'ule dị iche iche ha na-ele ma ule n'ụlọakwụkwọ ha na taam dị iche iche, ule nke WASSCE(SC) nakwa nke NECO nke na-egosi na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'ule ndị a. Ndepụta onye isi WAEC n'ule asụsụ Igbo bido n'afọ 2018 rue na 2023 na-akwado na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'asụsụ Igbo.

Onye nchọcha na-eche na ọ bụ egosighị mmasị na etinyeghị uche n'ọmụmụ asụsụ Igbo kpatara nke a. Akparamagwa dị etu a na-ebute ndọghachị aka elekere azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụkwazi nke sitekwaziri n'aka ndị nne na nna. Ọtụtụ ndị nne na nna n'ala Igbo anaghị enwe mmasị n'ịsụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ. Amụtaghị na asụghị asụsụ Igbo n'ụlọ na-ewebata onwe ya n'ụlọakwụkwọ ebe enwekwaziri iwu na-amachibido ụmụakwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị n'ala Igbo. A na-ada nwaakwụkwọ ọbụla sụrụ asụsụ Igbo nha ego maọbụ enye ya ntaramaahụhụ. Ọ bụ n'ihi ihe ndị a onye nchọcha hụchara mere ka o nwee mkpali n'ime nchọcha n'isiokwu a bụ mmetụta mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche nchọcha a bụ inyocha mmetụta mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Mbunuche nchọcha a kpọmkwem bụ:

1. ịnyọcha ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.
2. ịchọpụta etu enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị sị emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrịn'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.
3. ịchọpụta ka a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ nchọcha ndị a ka e wepụtara maka nchọcha a.

1. Kedu ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?
2. Kedu ka enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?
3. Kedu ka a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?

**Usoro Nchọcha**

Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Nworgu (2015) kọwara ụdị nchọcha a dị ka ụzọ e si enweta ngwa ihe nchọcha gbasara ụfọdụ ọnụọgụgụ nchọcha nke ga-abụ nnọchite anya mmadụ niile ọkachasị mgbe ọnụọgụgụ buru ibu. Eze (2020) kwadokwara na ọ bụ usoro e ji akọwa isiokwu e ji n'aka ruo n'usoro nhazi ihe nchọcha ahụ. Ebe a nọ mee nchọcha a kpọmkwem bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị okpuru ọchịchị Udenu na Steti Enugwu. Isi obodo Udenu bụ Obollo Afor. Okpuru ọchịchị a bụ obodo na-ejikọ Steti Enugwu na Steti Benue. Aka ọrụ e ji mara ha bụ ịzụ ahịa na ọrụ ugbo. Ha na-akọpụta ọtụtụ ihe nke gụnyere: ọka, akpụ, ụkwa, ede, ji na ihe ndị ọzọ. Emume e ji mara ha bụ emume Ọmabe, emume Ọnwa Eno, Akatakpa na ndị ọzọ. Onye nchọcha họọrọ okpuru ọchịchị a maka na ọ hụrụ na ụmụakwụkwọ na-eri mperi n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị niile dị n'okpuru ọchịchị a dị iri na isii (16). Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị klasị nke abụọ nọ n'okpuru ọchịchị a nke ọnụọgụ ha bụ otu puku, narị abụo na asaa (1,207). Nsinweta: (Statistics Unit, Udenu Post-Primary School Management Board (PPSMB), 2023). Onye nchọcha ji usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ asaa n'ime ụlọakwụkwọ niile dị n'okpuru ọchịchi a. E sekwara ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ dị narị ise na iri ise (550). Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ njụmaza nwere ndịna iri na ise (15), nke isiokwu ya bụ Mmetụta Mmasị Ụmụakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị na Mmeta Nke Ọma N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (MMỤSSMNỌNAI) nke ndị nza ajụjụ nyere ọsịsa site n'itinye akara a (√) n'igbe bụ ọsịsa ha chọrọ. Onye nchọcha nyere ndịọkammụta atọ sitere na ngalaba Mmụta Nka na ngalaba Sayensị na Mahadum Naịjirịa, Nsụka ngwa nchọcha nke ha lebanyere anya ma kwenye na ọ dabara n'isiokwu nchọcha e ji ya eme. E meziri ndejọ niile ndị nnyocha rụtụrụ aka. Iji mata ntụkwasị obi dị na ngwa nchọcha (MMỤSSMNỌNAI) a onye nchọcha nwalere ya n'ụlọakwụkwọ Model Secondary School, Nsukka n'isi ụmụakwụkwọ dị iri abụọ (20) n'ọnụọgụ nke gosiri ntụkwasị obi n'ogo 0.89. Nke a gosiri na ngwa nchọcha a dabara na nchọcha e ji ya eme. Ihe ndị e nwetara na nchọcha bụ nke e ji ngwa SSPS wee hazie. Miin na ndịpụ n'izugbe ka e ji were tụchaa data e nwetara na nchọcha a. Iji nweta mkpebi nye ụsa ndị e nwetara n'ajụjụ nchọcha a, a haziri ya site n'ụzọ dị otu a: anọ, atọ, abụọ na otu (4, 3, 2 na 1) nke ọbụla n'ime ha ga-abụ Kwenyesiri ike, Kwenyere, Ekwenyeghị na Ekwenyeghịcha (KWI, KW, EKW na EKWCH). Ụsa ajụjụ nke ọbụla nke miin ya ruru 2.50 gbagowe bụ nke a nabatara dịka ụsa ndị dabara na nchọcha a, mana nke ọbụla erughi 2.50 bụ nke anabataghị na nchọcha a.

**Nchọpụta**

**Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ:** Kedu ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?

**Tebulu Nke 1: Miin na Ndịpụ N'izugbe Na-egosi ka Enweghị Mmasị Ụmụakwụkwọ si Emetụta Mmeta Nke Ọma N'ọmụmụ Asụsụ Igbo N'ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị N'okpuru Ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.**

| ỌnỤỌgỤgỤ | ndỊna | Miin | ndỊpu N'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 1. | A na-ahụ ndị asụ asụsụ Igbo ka ndị amaghị akwụkwọ | 3.02 | 1.069 | Nabatara |
| 2. | Nne na nna m anaghị azụtara m akwụkwọ ọgụgụ Igbo | 3.08 | 1.135 | Nabatara |
| 3. | O nweghị ebe a na-akwanyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu ugwu ka ndị gụrụ asụsụ Bekee | 2.78 | 1.102 | Nabatara |
| 4. | E jighị asụsụ Igbo akpa nkata n'ọgbakọ dị iche iche | 3.40 | 0.836 | Nabatara |
| 5. | Ịsụ asụsụ Igbo na-eme m ihere ịsụ n'ebe ndị mmadụ gbakọtara | 3.15 | 1.008 | Nabatara |
| | **Mkpokọta Miin** | **3.09** | **1.03** | Nabatara |

Tebulu nke mbụ a na-egosi miin na ndịpụ n'izugbe na egosi ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Data e nwetara na tebulu nke mbụ na-egosi na ndịna 1, 2, 4 na 5 nwere miin nke dị n'agbata 3.02 rue na 3.15, ebe ndịna 3 nwere miin 2.78. Ogogo miin ndịna ndị a niile gafere akara ntu 2.50. Nke a gosiri na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna ise a mebere mkpokọta nke mbụ na njụmaza nke bụ ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Ndịpụ n'izugbe 1.03 pụtara na e nwechara ndịiche n'echiche ndị nzaajụjụ gbasara ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ siri emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị mana nke a abụghị n'ogogo dị elu.

Mpụtara nchọpụta a gosiri na e nwere nkwekọrịta na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ nwere mmetụta nye mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ụzọ dị njọ. A na-ahụ ndị asụ asụsụ Igbo ka ndị amaghị akwụkwọ, ndị nne na nna anaghị azụtara ụmụ ha akwụkwọ ọgụgụ Igbo, o nweghị ebe a na-akwanyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu ugwu ka ndị gụrụ asụsụ Bekee, e jighị asụsụ Igbo akpa nkata n'ọgbakọ dị iche iche nakwa ịsụ asụsụ Igbo na-eme ụmụakwụkwọ ihere ịsụ n'ebe ndị mmadụ gbakọtara bụcha ka o siri metụta ha. Obere ndịiche n'azịza gosiri mmetụta na nghọta dị iche iche n'etiti ndị nzaajụjụ, mana nkwekọrịta izugbe gosiri na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ nwere mmetụta nye mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ:** Kedu ka enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị sị emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?

**Tebulu Nke 2: Miin na Ndịpụ N'izugbe Na-egosi ka Enweghị Mmasị Ndị Nne na Nna si Emetụta Mmeta Nke Ọma N'ọmụmụ Asụsụ Igbo N'ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị N'okpuru Ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.**

| ỌnỤỌgỤgỤ | ndỊna | Miin | ndỊpu N'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 6. | Ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha | 3.01 | 1.090 | Nabatara |
| 7. | Ndị nne na nna na-azụtara ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo | 2.33 | 1.170 | Anabataghị |
| 8. | Ndị nne na nna anaghị agụrụ ụmụaka akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo | 3.16 | 0.991 | Nabatara |
| 9. | Ọtụtụ ndị nne na nna anaghị akụziri ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha | 3.09 | 1.027 | Nabatara |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 10. | Ndị nne na nna anaghị ekwe ka ụmụaka ha na-asụ asụsụ Igbo n'ụlọ | 3.11 | 1.067 | Nabatara |
| | **Mkpokọta Miin** | **2.94** | **1.067** | **Nabatara** |

Tebulu nke abụọ na-egosi miin na ndịpụ n'izugbe na egosi ka enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị sị emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Data egosipụtara na tebulu nke abụọ gosiri na ndịna 6, 8, 9 na 10 nwere miin nke dị n'agbata 3.01 rue na 3.16, ebe ndịna 7 nwere miin 2.33. Akara miin ndịna ndị a niile ma e wezuga nke asaa nwechara miin gafere ntu 2.50. Nke a na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna anọ (6, 8, 9, 10) n'ịchọpụta ka enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị. Mkpokọta miin azịza ụmụakwụkwọ bụ 2.94 nke karịrị ntu 2.50 ebe ndịpụ n'izugbe 1.067 ma e wezuga ndịna 7 nwere miin 2.33.

N'ihi nke a, e nwere mmetụta na enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo nye mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ihi na ha anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo, anaghị agụrụ ụmụaka akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo, anaghị akụziri ụmụaka asụsụ Igbo n'ụlọ ha tinyere anaghị ekwe ka ụmụaka na-asụ asụsụ Igbo n'ụlọ. Ihe ndị a niile mere na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ:** Kedu ka a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu?

**Tebulu Nke 3: Miin na Ndịpụ n'izugbe ka a Ga-esi Kwalite Mmasị Ụmụakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị N'ọmụmụ Asụsụ Igbo N'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.**

| ỌnỤỌgỤgỤ | NdỊna | Miin | ndỊpu N'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 11. | Gọọmentị ga-eme ka ụkọ ndị nkụzi Igbo beleta n'ụlọakwụkwọ site n'inwe ndị nkụzi gụrụ asụsụ Igbo na Mahadum n'ọrụ | 3.17 | 1.049 | Nabatara |
| 12. | Ọ dị mkpa ka ndị gọọmentị hụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile | 2.80 | 1.100 | Nabatara |
| 13. | Ndị nne na nna tosiri ị dị na-akwado ụmụaka ha maka ọmụmụ asụsụ Igbo site na ị na-azụrụ ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dị iche iche | 3.15 | 1.007 | Nabatara |
| 14. | Anyị bụ ụmụakwụkwọ ga na-eji asụsụ Igbo eme mkparịtaụka n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ anyị | 3.11 | 0.986 | Nabatara |
| 15. | Ọ dị mkpa ka gọọmentị na-agba ụmụakwụkwọ ọbụla mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo ume site n'ịdị na-enye ha ohere agụmakwụkwọ na-efu | 3.20 | 0.996 | Nabatara |
| | **Mkpokọta Miin** | **3.086** | **1.0276** | **Nabatara** |

Tebulu nke atọ n'elu a gosiri miin na ndịpụ n'izugbe azịza ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị etu a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Ntụcha gosiri na miin ndịna ajụjụ a bụ 3.17, 2.80, 3.15, 3.11 na 3.20. Ha niile gafechara akara ntu 2.50. Ndịpu n'izugbe ndịna nke 11, 12 na 13 bụ 1.049,1.100 na 1.007 n'otu n'otu ebe ndịna nke 14 na 15 nwere ndịpu n'izugbe 0.986 na 0.996. Mkpokọta miin azịza ụmụakwụkwọ bụ 3.086 ebe mkpokọta ndịpu n'izugbe bụ 1.0276. Miin na-egosi na e nwere nkwekọrịta n'izugbe na ndịna ajụjụ metụtara ka a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ebe mkpokọta ndịpu n'izugbe na-akọwa na ọ bụ ezie na e nwere ihe dị iche iche n'azịza n'otu n'otu, a hụtakwara otu ụzọ na nkwekọrịta.

N'ihi nke a, ntụcha a na-egosi na e nwere nkwekọrịta n'izugbe na Gọọmentị ime ka ụkọ ndị nkụzi Igbo beleta n'ụlọakwụkwọ site n'inwe ndị nkụzi gụrụ asụsụ Igbo na Mahadum

n'ọrụ, hụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile nakwa ndị nne na nna ịdị na-akwado ụmụaka ha maka ọmụmụ asụsụ Igbo site na ị na-azụrụ ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dị iche iche. Ọzọ kwa, ụmụakwụkwọ ị na-eji asụsụ Igbo eme mkparịtaụka n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ ha tinyere ndị gọọmentị ịgba ụmụakwụkwọ ọbụla mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo ume site n'inye ha ohere agụmakwụkwọ na-efu.

**Mkparịtaụka N'ihe a Chọpụtara**

Nchọpụta nchọcha gosiri na mmasị nwere mmetụta na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Nchọpụta nchọcha a dabara na nchọpụta Ambe na Udumo (2020) mere nke kwadokwara na mmasị bụ ihe echiche nke na-akwalite ọmụmụ. N'otu aka kwa, nchọpụta a dabakwaziri na nke Nwigwe na Ekwenze (2017) nke kọwara na mmadụ na-enwe mmasị n'ihe, n'ihi ihe ọ ga-erite dị ka uru n'ihe ahụ o nwere mmasị na ya.

Achọpụtara na ụmụakwụkwọ na-ahụta ndị asụ asụsụ Igbo ka ndị na-amaghị akwụkwọ n'ihi na nne na nna ha anaghị azụtara m akwụkwọ ọgụgụ Igbo tinyere na o nweghị ebe a na-akwanyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu ugwu. E jighịkwa asụsụ Igbo akpa nkata n'ọgbakọ dị iche iche na ihere na-eme ha ịsụ asụsụ Igbo n'ebe ndị mmadụ gbakọtara na-emetụta mmasị ha n'imeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

N'ịga n'ihu, nchọpụta gosikwara na enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo mere na ha anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ, azụtaghị ụmụaka akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo ma ya fọdụzịa ịgụrụ ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ ndị ahụ. Akụzighị na ekweghị ka ụmụaka na-asụ asụsụ Igbo zipụtara na ndị nne na nna enweghị mmasị ma ọlị n'asụsụ Igbo. Nchọpụta Krapp (2022) na nchọpụta a dabara maka na ha kwadoro na mmasị na-etolite site na mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na gburugburu ya. N'ihi na enweghị mmasị ndị nne na nna n'ọmụmụ asụsụ Igbo mere na ebe ụmụaka kwesịrị ịnọ nweta maọbụ mụta asụsụ epum mechinarị ha nke a metụta mmasị ha n'imeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

N'otu aka ahụ, nchọcha chọpụtakwaziri na Gọọmentị ime ka ụkọ ndị nkụzi Igbo beleta n'ụlọakwụkwọ site n'inwe ndị nkụzi gụrụ asụsụ Igbo na Mahadum n'ọrụ na ịhụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile ga-enye aka kwalite ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ọzọ kwa, ndị nne na nna tosiri ka ha na-akwado ụmụaka ha maka ọmụmụ asụsụ Igbo site na ị na-azụrụ ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dị iche iche, ụmụakwụkwọ n'onwe a na-eji asụsụ Igbo eme mkparịtaụka n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ ha tinyere ka gọọmentị na-agba ụmụakwụkwọ ọbụla mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo ume site n'ịdị na-enye ha ohere agụmakwụkwọ na-efu. Nchọpụta a na nke Ezema na Obayi (2020) kwadokwara na ụmụakwụkwọ ga-emeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ ma ọ bụrụ na ha nwere mmasị n'asụsụ ahụ nke ga-eme ka ha tinye uchu na mmụọ ịnụ ọkụ n'ịmụ ya. Itinye uchu na mmụọ ha na ya ga-enye nnukwu aka n'ịkwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Mmechi**

Site na nchọpụta nchọcha a, onye nchọcha mere ụfọdụ mkpebi ndị a: a ga-ahụta na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ nwere mmetụta n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Ụmụakwụkwọ anaghị enwe ezigbo mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha na-ahụta ndị asụ asụsụ Igbo ka ndị na-amaghị akwụkwọ maka na nne na nna ha anaghị azụtara akwụkwọ ọgụgụ Igbo tinyere na o nweghị ebe a na-akwanyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu ugwu. E jighị asụsụ Igbo akpa nkata n'ọgbakọ dị iche iche na ihere na-eme ha ịsụ asụsụ Igbo n'ebe ndị mmadụ gbakọtara na-emetụta mmasị ha n'imeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu. Ọzọkwa, nchọpụta gosipụtakwara na enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo mere na ha anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ; ha anaghị azụtara ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo ma ya fọdụzịa ịgụrụ ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ ndị ahụ. Akụzighị na ekweghị ka ụmụaka na-asụ asụsụ Igbo zipụtara na ndị

nne na nna enweghị mmasị ma ọlị n'asụsụ Igbo. Nke a metụtara mmasị ha n'imeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo. N'otu aka ahụ, nchọcha chọpụtakwaziri na na Gọọmentị ime ka ụkọ ndị nkụzi Igbo beleta n'ụlọakwụkwọ site n'inwe ndị nkụzi gụrụ asụsụ Igbo na Mahadum n'ọrụ na ịhụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo ga-enye aka n'ịkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ọzọ kwa, ka ndị nne na nna na-akwado ụmụaka ha maka ọmụmụ asụsụ Igbo site na ịzụtara ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dị iche iche, ụmụakwụkwọ n'onwe a na-ejikwa asụsụ Igbo kpọrọ ihe site n'iji ya na-eme mkparịtaụka n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ tinyere gọọmentị ị na-agba ụmụakwụkwọ ọbụla mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo ume site n'inye ha ohere agụmakwụkwọ na-efu. Ụmụakwụkwọ itinye uchu na mmụọ ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu n'ịkwalite mmasị ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Ntụnye Aro**

Site na nchọpụta nchọcha a, mmechị na mpụtara, onye nchọcha tụnyere aro ndị a ka:

1. Ndị nne na nna na-egosi ụmụaka ha mmasị ha n'ebe asụsụ Igbo dị site n'ịsụrụ na n'ịdị na-eji ya akparịtaụka n'ezinaụlọ ha dị iche iche.
2. Ndị nne na nna na-egotere ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo.
3. Ụmụakwụkwọ n'onwe ha na-eji asụsụ Igbo na-eme mkparịtaụka n'ezinaụlọ, n'ụlọakwụkwọ na n'ọgbakọ ha dị iche iche.
4. Ndị gọọmentị ga-enye ụmụakwụkwọ mere nke ọma n'ule asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum ọrụ nkuzi n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.
5. Ụmụakwụkwọ sekọndịrị na-eme asọmpi n'asụsụ Igbo kwa afọ ọbụla n'ala Igbo niile iji kwalite mmasị ụmụakwụkwọ n'ebe asụsụ Igbo dị.

**Nchikọta Nchọcha**

Onye nchọcha chọpụtara na-enweghị mmasị ndị nne na nna n'ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọ na kwa ekweghị ka ụmụ ha na-asụ ya n'ụlọakwụkwọ na-ebute enweghị mmasị ha n'ịmụ ya n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị. Ndị nne na nna tinyere ndị niile gbara nwakịrị gburugburu na ọ ga-amụta asụsụ Igbo ga-ebido mgbe ọ dị na nwata ọ nọ n'ụlọ ebe amụrụ ya asụrụ ya asụsụ Igbo nke bụ asụsụ epum ya.

Ọzọ kwa, ndị nne na nna ga-amalite na-azụtara ụmụ ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dịka ha na-azụtara ha ndị e dere n'asụsụ Bekee mgbe nọ n'ụlọ ha ma na-enye ha ohere ịsụ na ịkparịta nkata n'asụsụ Igbo mgbe ọbụla na ebe ọbụla, ma n'ezinaụlọ ma n'ụlọakwụkwọ. N'aka nke ha, Gọọmentị na ndị nhazi agụmakwụkwọ dị n'aka ga-etinye aro ndị atụpụtachara n'ọrụ maka nkwalite na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Udenu, Steti Enugwu.

**Nrụtụaka**

Ambe, B. A & Udumo, B. O. (2020). Instructional systems technology for teaching and learning environmental education. In *Journal of social science*. 48(3), 1538-1551.

Ewelum, C. P. & Ezema, C. A. (2022). Mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụmakwụkwọ praịmarị ndị e ji ngwa nkuzi nụrụlere kụziere agụmagụ Igbo na zoonu mmụta nsụka. In In *Ideal international journal of IGBOSCHOLARS FORUM, NIGERIA*. 15(2), 21-38.

Eze, R. I. & Ezema, C. A. (2024). Iwulite ụzọ dị ire ịkwalite mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ịmụta akụkọ ifo Igbo n'usoro ntọala agụmakwụkwọ n'okpuru ọchịchị Ngwa, Steti Abia, Naịjirịa. *Nsukka journal of humanities.* June 2024, 32(2) www.njh.com.ng

Eze, R. I. (2020). *Nka usoro nchọcha n'asụsụ Igbo*. Nsukka: Chuka Educational Publishers.

Eze, R. I. (2022). Olu asụsụ ebe obibi ụlọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị sịnịọ n'ịkpọpụta mkpụrụokwu asụsụ Igbo na zonu mmụta Awgu Steeti Enugwu. In *Ideal international journal of IGBOSCHOLARS FORUM, NIGERIA*. 15(2), 92-111.

Ezema, C. (2016). *Ozi N'asusu Igbo.* Enugu: Computer Edge Publishers.

Ezema, C. A. & Mbah, B. M. (2015). Adịmire nsirihụ ndị Igbo n'ebe nsumede ule asụsụ Igbo na mmeta ụmụakwụkwọ. In *Jọnal amụmamụ Igbo (Journal of Igbo studies)*. 10, ISSN: 1597-7250. 110-116.

Ezema, C. A. & Obayi, J. I. (2020). Adịmire mmasị na nsụmede asụsụ Igbo n'ebe mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nọ. In *Ikoro journal of contemporary studies*. 14 (1). ISSN: 0046-859-2. 78-84.

Ezema, C. A., Chineke, S. O. & Ude, F. U. (2021). Mmetụta olundị na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ule asụsụ Igbo na zoon mmụta Nsụka In *Igboscholars international journal of Igbo scholars forum, Nigeria*. 14(1). ISSN: 2476-843X. 138152.

Federal Republic of Nigeria (2015). *National policy on education* (revised), Lagos: Federal Government Press.

Ilodi, T. N. (2019). *The place of technology in teaching and learning*. New York: Appleton Century-Craft.

Julia, S., Mirjana, B. & Brechtje (2023). Individual differences in the auditory process of morpho-phonological and scientific cues. *www.researchgate.net*. Doi: 1080/223273798. 2023.222.

Krapp, A. (2022). Structural and dynamic aspects of interest development: Theoretical considerations from an ontogenetic perspective. *Learning and instruction.* 13, 383-409.

Nwigwe, N. & Ekwenze, C. (2017). Mwulite nka okwukwu nye ụmụ akwụkwụ na-amụ Igbo dịka asụsụ epum (Igbo L1): Ntụta aro ụfọdụ. *Journal of linguistics, language and culture, 4(1).*

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research basic issues and methodology.* Ibadan: Wisdom Publishers Ltd.

Torty, U. O. & Offorma, G. C. (2013). Effect of collaborative learning method on senior secondary students' interest in English language tenses. In *International journal of educational research*. 12(2), 128-135.

Umo, C. U. & Okeke, C. O. (2009). Mwulite asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dị na mgbago ugwu Naịjirịa. Jonal mmụta Igbo (Journal of Igbo studies). 4(1). 73 - 81.